**Mpempe Akwụkwọ Nkwenye maka Nsonye na Nnyocha**

A na ajụ gị ma ị chọrọ isonye na mmụta nnyocha. Tupu ị kwenye na isonye na mmụta ahụ, otu onye otu nke otu mmụta ahụ ga-agwarịrị gị ụfọdụ ihe gbasara nnyocha ahụ. A ga-agwa gị

a. ebumnuche nke nnyocha ahụ
b. ihe ga-eme gị n'oge nnyocha ahụ
c. ogologo oge ole nnyocha ahụ ga-ewe yana ogologo oge ole a ga-arịọ gị ka isonye
d. akụkụ ọ bụla nke nnyocha ahụ bụ ihe a na enyocha (ihe a na anwale anwale)
e. ihe egwu ma ọ bụ akụkụ ọ bụla nke nnyocha ahụ nwere ike ibuteere gị mmekpa ahụ ma ọ bụ mee ka ị nwee mgbakasị ahụ
f. elele ọ bụla nke gị ma ọ bụ ndị ọzọ nwere ike isite na nnyocha ahụ
g. ọgwụgwọ ma ọ bụ ụkpụrụ ọ bụla nwere ike ịnye gị elele kama nke nnyocha ahụ (nke ọzọ)
h. ụfọdụ njirimara nke onye a ga-ekenye data gị
i. maka otu a ga-esi kpuchido nzuzo gị yana nzuzo nke ozi gị.

Onye ọrụ mmụta ahụ ga-agwarịrị gị ozi ndị dị n'okpuru ma ọ bụrụ na ọ metụtara mmụta a

a. ọ bụrụ na ị ga-enweta nkwụghachi ụgwọ ọ bụla (ego ma ọ bụ ọgwụgwọ ahụike bụ n'efu) ma ọ bụrụ na ị nwere mmerụ ahụ ka ị nọ na mmụta nnyocha a
b. ọ bụrụ na a ga-enwe ihe egwu anyị amaghị maka ya ugbu a mana nwere ike ịme n'ọdịnihu
c. ọ bụrụ na enwere ihe ga-akpata na ndị nnyocha ahụ nwere ike ịkwụsị gị na isonye na mmụta ahụ
d. ụgwọ ọ bụla ị metere maka ịnọ na mmụta ahụ
e. ihe ga-eme ma ọ bụrụ na ị chọọ ịkwụsị isonye na mmụta ahụ
f. mgbe a ga-agwa gị maka nchọpụta ọhụrụ nwere ike ịme ka ị gbanwee uche gị gbasara isonye na mmụta ahụ
g. mmadụ ole ga-esonye na mmụta ahụ.

Ka agwachara gị ozi niile dị n'elu onye ọrụ mmụta ahụ ga-ajụ gị ma ị chọrọ ịnọ na mmụta ahụ. Ọ bụrụ na ị kwenye mgbe ahụ onye ọrụ mmụta ahụ ga-agwa gị ka ibinye aka na mpempe akwụkwọ a. A ga-enyerịrị gị otu nnomi nke mpempe akwụkwọ a ebinyere aka n'asụsụ nke gị. A ga-enyekwa gị nchịkọta nke nnyocha ahụ edere ede na Bekee.

Gị ma ọ bụ onye ọkọwa okwu gị nwere ike ịkpọ Name____________________ na Phone Number_____ n'oge ọ bụla ị nwere ajụjụ maka nnyocha ahụ ma ọ bụ ihe ị ga-eme ma ọ bụrụ na ị nwee mmerụ ahụ. Gị ma ọ bụ onye ọkọwa okwu gị nwere ike ịkpọ Ụlọ Ọrụ BUMC IRB na 617-638-7207 ma ọ bụrụ na ị nwere ajụjụ gbasara ikike gị dị ka onye nnyocha.

Ị nwere ike ikpebi ma ị chọrọ ma ọ bụ na ị chọghị isonye na mmụta nnyocha a. Ọ dị gị n'aka. Ị nwere ike ikpebi na ị chọghị isonye na mmụta ahụ. Ị nwere ike ikpebi isonye na mmụta ahụ ma kwụsị n'oge ọ bụla. Ọ bụrụ na i kpebie na ị chọghị ịnọ na mmụta ahụ ma ọ bụ ọ bụrụ na i kpebie ịkwụsị ị ga-etufu elele ọ bụla i tozugoro maka ya. Ihe ọ bụla i kpebiri, ọ gaghị agbanwe otu ndị ọrụ ahụ ga-esi na ahụta gị mana ọ bụrụ na i kpebie isonye na mmụta nnyocha ahụ ọ ga-agbanwe atụmatụ ọgwụgwọ gị.

Ibinye aka n'akwụkwọ a pụtara na akọwaara gị mmụta nnyocha ahụ. Nke a pụtara na agwara gị ozi niile dị n'elu. Ọ bụrụ na i binye aka na mpempe akwụkwọ a ọ pụtara na ị kwenyere isonye na mmụta a.

Aha nke onye ahụ ebipụtara ebipụta_________________ Mbinye aka_________________ Ụbọchị________

Printed name of witness__________________________ Signature___________________ Date___________